# JOSEF, ỌKỌ́NRỌ̀ DỊ ICHEICHE

## Jenesis 40: 1-23; 41:1-36

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 35 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBN'ISI: "Ma ọ buru na amam-ihe fọduru onye ọ bula nime unu inwe, ya riọ n'aka Chineke" (Jemes 1:5).**

**Josef Nọrị sị N'ụlọmkpọrọ**

Ndịeze niile n'oge Josef dị nnọọ ka ndịọchịchị akaike nke anyị nụworo banyere ha nime mba dị icheiche nke Yurop nime arọ ndịa. Ọ bụrụ na mmadụ emejọ ha, anaetinye ya n'ụlọmkpọrọ náekpeghị ya ikpé, ma eleghịanya ọ bụrụ onye echèfuru rue ogologo oge.

N'ụzọ dị otú a ka Josef si hụ́ onweya nime ụlọmkpọrọ -- ọ bụghị n'ihi ihe ọjọọ ọ bụla nke o meworo, ma n'ihi na emejọwo obi nganga nke otù nwanyị, o wee chọọ ịbọ̀ọ̀bọ̀. Mgbe náadịghịanya ndịkom abụọ nke nọrịị n'ọkwa dị elu n'obíeze soro ya, ma ha onweha emeworị ihe náadịghị Fero mma. Eze ọjọọ ndịa naanọ n'ụjọ mgbe dum náechè ma o nwere onye náachọ inye ha nsì, maọbụ gbue ha n'ụzọ ọzọ; ma eleghịanya ọ gaabụ ihe mere ndị ahụ ji bụrụ ndị eleworo anya ọjọọ. Ọ bụ ọlụ onyeisi obuiheọñụñụ ibugara eze nke náachịachị manya; ma bụrụ kwa, ọlụ onyeisi ndị osiite ịhụ́ banyere achịcha na iheoriri niile náadị na tebụl eze.

N'ihi iruọma nke Chineke nyeworo Josef n'ebe ndị nché ya nọ emere ya onyenlekọta n'ebe ndịmkpọrọ ọhụụ a nọ. Otù isiụtụtụ mgbe ọ bịakutere ha, maeleghịanya iwetara ha nri ụtụtụ ha, ha nọ ná mgbarụiru. Josef nwere obiebere o nwekwara mmasị ịmata ihe mere ha ji gbarụọiru. Ha gwara ya banyere nrọ̀ dị icheiche nke ha rọrọ.

Ndị obodo Ijipt nwere ọtụtụ ndị amamihe na ndị mgbasị, ụfọdụ nime ha bụ ndị náagụpụta ihe gaeme n'ọdin'iru site na kpakpando dị icheiche. Ọ dịghị ka ọ nabụ ihe ijuanya bụ́ ụmụmmadụ ịkọsara ndị dị otú a nrọ̀ ha, wee nweta otù ụdị nkọwa maọbụ nkeọzọ; ma nime ụlọmkpọrọ ebe ọ dịghị onye dị ịkọwara ha ihe nrọ̀ ha pụtara. Josef gwara ha na ọ dịghị ha mkpà ịchọ onye náeji igwèọjii tụ isiọma maọbụ nke ọjọọ na onye náajụ asè, n'ihi na ọ bụ náání Chineke pụrụ inye nkọwa ziriezi.

Josef anọruwo arọ̀ irinaotù n'oge dị ugbu a nime Ijipt, ma náagbanyeghị kwa, ụdị ọnọdụ nke ebe obibi ya ọ biwo ndụ n'ụzọ o nweworo ezi nchèkwube na Chineke gaanụ olu ya mgbe o kpere ekpere. Ọ sịghị: "Eleghi-anya m'gagh alaghchi kwa ulọ ọzọ, ya mere ọ̀ di nkpa n'uzọ m'si bie ndu? O nweghị ndị enyim ọ bula gaamata ma ọ buru na mu emetu nmehie ntakiri; ma ọ gaadi kwaram mfé karia iso ndịa mekọrita ihe ma ọ bụrụ na m'gaefe chi ha." O biri ndụ gaatọ Chineke ụtọ ụbọchị niile, náecheta na Chineke naahụ́ ihe niile nke anyị mere, na Ọ gaakwụghachị kwa anyị dịka ụgwọọlụ anyị si dị.

**Akọwara Nrọ̀ Dị Icheiche**

Mgbe mkpà nke a ka anata ọ̀zị́zá site na Chineke dapụtara, obi gaatọworị Josef ụtọ n'ihi na ọ nọ n'ọnọdụ ime ka ekpere ya rue igwe. Mgbe ọ gwara ndị mkpọrọ ahụ na ọ bụ Chineke nwe nkọwa, ọ pụrụ iwere óké mkwuwa okwu tụkwasị "Zerenum ha (nrọ nile ahụ), biko." O biri Chineke nso karịa na ọ pụrụ ikwu na ya na Ya bụ otù, dịka Okwu ahụ naekwu banyere ndị edoworo nsọ: "N'ihi na ma Onye nēdo ha nsọ ma ndi anēdo nsọ, ha nile sitere n'otù Nna: ọ bu kwa n'ihi ihe a ka ihere ikpọ ha umu-nna-Ya adigh-eme Ya" (Ndi Hibru 2:11).

Onye obuiheọñụñụ buru ụzọ zee nrọ ya, obi tọkwara ya ụtọ ịña Josef ntị n'ihi na o kwuru banyere mpụta ya site n'ụlọmkpọrọ mgbe ụbọchị atọ gasịrị. Dịka Josef náatụghịanya ịnọ n'ụlọmkpọrọ ọ gbagwojuru ya anya ma ọ bụ na echèzọwo ya, ọ rịọrọ onye ahụ náebu iheọñụñụ ka o chéta ya mgbe ọ gaenwereworị onweya. Onye obuiheọñụñụ eze ahụ gaenweworị obi ekele zuruòkè n'ebe Josef nọ ịgbalị inyere ya aka ka ọ pụta. Ma ngwangwa onye obuiheọñụñụ ahụ nweere onweya o chèfuru inwe obiebere nye onye ahụ nke náahụ́ ahụhụ n'ihi ihe ọ na emeghị. Chineke naele obi ekwesịrị ike nke ndị mmehie, ma n'otù ụbọchị ha gaanata ikpé Ya. Jisọs sịrị: "Ka ọ ra bú otú unu nēmegh ya nye otù onye nime ndia dikarisiri ntà, Mu ka unu nēmegh ya nye. Ndịa gāpu je ba n'ahuhu-nmehie ebigh-ebi: ma ndi ezi-omume gāba ná ndu ebigh-ebi" (Matiu 25:45, 46).

Mgbe onyeisi ndiosiite nụrụ na nkọwa nke mbụ ahụ di mma, o zekwara Josef nrọ̀ ya. Ma otú ọ dị, o nweghị nnọọ iruọma. Ọ gaabụ na o mere n'ezie ihe ahụ kwesịrị ịtaahụhụ. Ewepụrụ ya n'ụlọmkpọrọ mgbe abalị atọ ruru wee gbupụ ya isi ma kwuba ya n'osisi, dịka Josef kọwaworo nrọ̀ ya.

Ihe rukwara arọ abụọ ọzọ ka echèfuru Josef n'ụlọmkpọrọ ahụ. Ọ gaabụworị oge dị anya n'ebe ọ nọ, ọ gaabụworo yarịị ihe ịtụfu olileanya na onye obuiheọñụñụ ahụ abụrụwo onye náenweghị obiebere. Ma Chineke adịghị echéfu ndị nke Ya ọ bụ ezie na ihe adịghị abịara anyị ọsọsọ dịka anyị chere na ha gaabịa, chetakwa na Chineke maara nke kachasị mma na ọ gaeme kwa ka o mezue n'oge nke Ya na n'ihi otuto Ya. Ọ chọghị ka anyị náamagharị n'ihi ịnọọdụ, ma O kwuru, "Ranu aka, mara kwa na Mu onwem bu Chineke" (Abù Ọma 46:10). Ọzọ kwa, "N'ihi na dika

elu-igwe si di elu kari uwa, otú a ka uzọm nile di elu kari uzọ nile unu, ọ bu kwa otú a ka èchìchèm nile dị elu kari échìchè nile unu" (Aisaia 55:9). Ma ọ bụrụ na anyị gaamụta náání ịtụkwasị Ya obi n'uju!

**Nrọ̀ Niile Nke Eze Ahụ**

Mgbe arọ abụọ gasịrị eze ahụ rọrọ nrọ̀ abụọ o chere na ha dị mkpà, o wee kpọkọta ndị amamihe na ndị mgbasị nke nọ n'okpuru ya ịkọwara ya ihe nrọ̀ ndịa pụtara. Ma Chineke nyere ya nrọ̀ ndị ahụ. Ma ndị orù Ekwensu apụghị ịghọta ha. Anyị chọrọ nghọta nke mmụọ ịmata nkọwa banyere ihe niile nke Chineke.

Mgbe ahụ ka onye obuiheọñụñụ ahụ chetara ihe ọ káemeworị mgbe akpọpụtara ya n'ụlọmkpọrọ. Ọ gaadị ka onye obuiheọñụñụ ahụ nwere óké ọñụ na ọ naalaghachị n'ọkwa ochie ya nke mere na o kwesịrị ka o chéé échìchè banyere ya ụbọchị niile -- ma o meghị otú a. Ọ gwara eze ahụ na Josef zeziri nkeọma nrọ̀ ndị ahụ ya na onye isi ndiosiite rọworọrị, wee kwenye na Onye Hibru ahụ adọtara n'agha pụrụ inyere eze ahụ aka. Fero mere ngwa ime ka Josef guzo n'iru ya. Josef agụghị onweya na ya pụrụ ịkọwa nrọ̀ ndịa site n'ike ya, kama o nyere Chineke otuto niile. Anyị ganaecheta mgbe niile na ọ bụ Chineke bụ Onye náenye ezi onyinye ọ bụla zuruòkè; ma ọ bụrụ na anyị alụzie ọlụ anyị nkeọma, maọbụ lụzie ọlụ pụrụ iche, anyị agaghị ebuli onweayị maọbụ náeche na anyị dị mma, kama kele Chineke na O nyewo anyị onyinye ndị ahụ.

Josef dị ka ọ matara na Chineke gaje ịgọzi eze ahụ, n'ihi na ọ sịrị "Chineke gāza ọzịza udo nye Fero."

Ndụ ndị obodo nọ n'Ijipt naadabere na Osimiri Nail. Ọ fọdụrụ nke ntà na mmiriòzùzò adịghị, ma iheọkụkụ na adị irè site n'ọtụtụ ngwuwaala mmiri nke sitere na mmiri ahụ. Arọ niile ka ọ naeruchi ụsọ ya niile naarapụ apịtị dị mma n'ala ubi ahụ, ma wusa kwa mmiri n'ala ahụ nwaoge. Na nsonso arọ ndịa alụwo mgbidi nchịkọta mmiri (maọbụ daam) ka ewee nwee ike iduzi mmiri ahụ ma chee kwa mmiri ahụ n'ihi arọ ọkpọnkụ niile ahụ; ma n'ụbọchị ndị ahụ ọ bụrụ na mmiri ahụ eto nke ukwuu nọ kwa ọdụ nke ukwuu n'ala nke mere na apụghị ịkụ iheọkụkụ n'oge, ihe ọ naalụpụta bụ ụnwụ. Otùaka ahụ, ma ọ bụrụ na mmiri ahụ erupụtaghị nkeọma, iheọkụkụ agaghị eto, ma ọzọ kwa ụnwụ gaadị kwa. Dịka Ndi Ijipt ghọtara na ịdị ndụ ha naadabere na Mmiri Nail ahụ ha naefè ya òfùfè dịka chi.

Dịka anyị gaahụ site na nrọ̀ mbụ nke Fero, arọ niile nke nrijuafọ ahụ gaabịa eleghịanya site n'ọnọdụ dị mma nke mmiri ahụ; ma arọ niile nke ụnwụ gaeso gaabịa kwa site n'ọnọdụ nke mmiri ahụ.

Ná nrọ̀ nke abụọ ahụ atụkwasịkwara ihe egwù ọzọ, nke metụtara ifùfè nke ọwụwaanyanwụ. Ifùfè a naefébiga ọzara nke ndị Arab, ọ naadị óké ọkụ n'oge ahụ ọ naeru Ijipt. Ndị ijè ahụ sịrị na ha ahụwo ka ọ bịara na mberede, dịka óké anwụrụọkụ; ma n'ịdọakanántị nke ndị obodo ahụ ha gaada n'ala ọsọsọ kpue iru n'ala ka ha nwee ike nweta ikuku gaezuru ha ịdịndụ. Ọbụná mgbe ụdị nleruanya ahụ gasịrị otù onyeijè sịrị na ya ekuruwo ikùkù ọkụ ahụ na ozuzu ya nke mere na ọ dị ya mkpà ịga Ákụ́kụ́ ọ bụla nke gaepupụta náagbanyeghị na mmiri adịghị, ka óké ifufe a gaebibi.

**Nkọwa Ahụ**

Josef gwara Fero na Chineke naegosi ya na Ọ gaje izite arọ asaa nwere ọdịmma ime ka iheọkụkụ baa ụba; ma ihe gaeso bụ arọ asaa nke óké ụnwụ. Arọ asaa nke enweghị iheọkụkụ gaeweta óké mmekpaarụ n'eluụwa, ma ọtụtụ mmadụ gaanwụ ma ọbụghị na enwere mkwadobe tutu oge ahụ. Josef gbara eze ahụ ume ka o chekwa iheoriri n'arọ niile nke óké uju ahụ iji zụ ndi mmadụ n'oge ụnwụ ahụ nke gaabịa.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Josef ò mere nkeọma ná nkọwa nrọ̀ya banyere nrọ̀ onyeosiite ahụ na nke onye obuiheọñụñụ ahụ?
2. Gịnị ka Josef rịọrọ onyeisi obuiheọñụñụ ahụ ka o meere ya?
3. Josef ò weere onwe ya dịka onye ahụ nke pụrụ ịkọwa nrọ̀?
4. Gịnị mere Chineke ji nye Fero nrọ̀ abụọ nke bụ otù nkọwa?
5. Ì chere na Chineke nwere ihe O bu n'obi O ji kwenye ka Josef nọdụ nime Ijipt?